# ASỤSỤ EPUM IGBO: IHE NKETA NA OKE NDỊ IGBO

**Cecilia Amaoge Eme**
Department of Linguistics
Faculty of Arts
Nnamdi Azikiwe University
Awka, Anambra State, Nigeria
08035611899/ca.eme@unizik.edu.ng
**na**
**Joy N. Okeke**
Department of Linguistics/Igbo
Faculty of Arts
Chukwuemeka Odumegwu Ojukwu University
Igbariam Campus, Anambra State, Nigeria
08027295042/jn.okeke@coou.edu.ng

**Ụmịedemede**
Nchọcha a na-atụle asụsụ epum Igbo dịka ihe nketa na oke ndị Igbo. Ọ bụ iji gosịpụta mkpa ọ dị ka ndị Igbo hapụ ịgbakụta asụsụ Igbo azụ, kama ka ha kpọọ ya mkpa, na-echukwa ma na-akwalite ya n'ụzọ niile iji gbochiere asụsụ Igbo ọdachi ọnwụ. Ndị nchọcha mere nchọcha ha site n'ịkọwami ka ọnọdụ asụsụ Igbo dị n'ụlọ akwụkwọ praịmarị dị na Steeti Anambra nakwa ọrụ ndị ntorobịa Igbo n'iwulite Igbo. Ha sitere n'ịgba ajụjụọnụ na ihe ha hụtara ma gụtakwa nweta ngwa a tụlere maka nchọcha a. A gbara ndị isi ụlọ akwụkwọ iri abụọ na otu ajụjụọnụ iji mata ọnọdụ asụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ ha, pụtara otu maka ụlọ akwụkwọ dị n'okpuru ọchịchị gọọmenti iri abụọ na otu e nwere na Steeti Anambra. E nwetakwara ọnụ mmiri ndị ntorobịa iri na ndị ọchịchị obodo iri iji mata echiche ha maka enyemaka ha n'ịkwalite asụsụ Igbo. A chọpụtara na Igbo nọ n'ajọ nsogbu nke ndị nne na nna ahafezighiri ụmụ ha asụsụ Igbo dịka asụsụ epum ha, bụ ajọ agwa ga-ebute ọnwụ ya bụ asụsụ ma ọ bụrụ na ndị Igbo emeghị ngwa ngwa meghara ya bụ ọdachi. A hụtara olileanya mwulite asụsụ Igbo na mbọ gọọmenti ịkwalite ọnọdụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ, nakwa mbọ otu Igbo dị iche iche, ndị ọchịchị ndị obodo Igbo na ụka dị iche iche bụ nke mere ka ohere ịbụ asụsụ kwụ chịm dịkwara asụsụ Igbo. Ndị nchọcha wee na-akpọ ndị ntorobịa Igbo oku ka ha tinyewanye amamihe ha nwere na kọmputa na Atịfishal Intelịgens (AI) n'ọrụ iwulite ọnọdụ asụsụ Igbo.

## Ndubata

Ndị Igbo bara ụba n'ọnụọgụ. Dịka anyị siri gụta, ọnụọgụ ndị Igbo n'ụwa gbaa gburu gburu ruru nde iri asaa (*70 million*) (https//:www.nairaland.com). Ndị Igbo bụ ndị asụsụ èpùm̀ ha bụ asụsụ Igbo. Asụsụ epum (*mother tongue*) bụ "asụsụ na-arụje aka n'ebe mmadụ pùrù ma ọ bụ [ebe] e jiri mara mmadụ dịka ala nke aka ya" (Eme, 2023:11). N'ezie, asụsụ epum ndị Igbo bụ ihe nketa na oke ha. Ọ bụ ya mere ụfọdụ ndị nchọcha jiri kpọọ asụsụ epum asụsụ ebe onye si (Adiele, 2018), nakwa asụsụ ala mmadụ (Bamgbose, 2022).

Ikwu na asụsụ Igbo bụ asụsụ epum ndị Igbo pụtara na asụsụ a bụ nke ndị agbụrụ Igbo gbasara n'ụwa niile hụtara ka òkè ha na ihe nketa ha. Adiele (2018:377) kwuputara na,

> Asụsụ epum bụ asụsụ mmadụ mụtara ka a mụrụ ya maọbụ nke onye ahụ kachasị asụ nke ọma ma na-abụkarị ebe mgbado ụkwụ maka ịkọwapụta ónyé ónyé bụ̀. … Ọ dị oke mkpa na ndụ nwata, nke na a gaghị akpachapụ ya n'akụkụ n'okwu agụmakwụkwọ nwata ọbụla.

Dịka Ezeani (2015:184) na-akọwa, "asụsụ na omenaala jikọtara ọnụ." Ya mere na asụsụ Igbo bụ ihe ndị Igbo ji ezipụta omenaala ha, usoro obibi ndụ ha na ihe niile ha jiri bụrụ agbụrụ. Ọ bụ ya bụ̀ ihe ime ọnụ nyere ndị Igbo n'ihi na ọ na-eziputa ebe ha siri púté, nke bụ ala nna ha. Asụsụ Igbo bụ ụdọ ịdịkọnootu na ezi mmekọrịta nyere ndị niile kpọrọ onwe ha ndị Igbo, ma ha nọ n'ụlọ ma ha nọ n'ụzọ ije maọbụ na mba ofesi. Site n'asụsụ Igbo ka ndị Igbo ji ezipụta ma na-echekwa akụkọ ala ha, ilu, akụkọ ifo, mmemme, na ihe niile gbasara ha mere ha jiri bụrụ ndị Igbo. Nke a gosịrị na asụsụ epum dị oke mkpa na ndụ mmadụ. Ọ bụ asụsụ mmadụ kacha mara, ma bụrụ nke o ji ahụta ụwa, nke o ji asọbanye onwe ya n'ime obodo ya, nke o ji echeba echiche ime, jiri ya arọ nrọ ma bụrụ asụsụ na-agbakarị ya n'ọnụ ọ bụlagodu na o nwere asụsụ abụọ maọbụ karịa. Ọ bụ nghọta a gbasara asụsụ epum ka anyị ji arụ ọrụ n'edemede a.

Site n'ihe ole ma ole anyị kwurula maka Igbo, ọ dị mwute ikwu na ụfọdụ ndị na-ahụta onwe ha ka ndị Igbo amaghị asụ asụsụ Igbo. Ọtụtụ n'ime ha na-azakwarị aha Igbo. A ga-asị na ndị dị otu a bụ ndị Igbo n'ọnụ nakwa n'aha. Ihe butere nke a bụ na ndị nne na nna ụfọdụ bụ ndị Igbo, ma asụ Igbo nke ọma, anaghị akpachapụ anya ịhafere ụmụ ha asụsụ Igbo. Anyị wee hụ na ndị bụ ndị Igbo ma na aha ma n'asụsụ erughị ole e kwuru ndị Igbo dị, ebe ọ bụ na ụfọdụ ndị agbụrụ Igbo amaghị asụ asụsụ Igbo, bụ isi sekpụ ntị na njirimara ndị Igbo. Ọzọ dị ka ibe ya bụ na ụfọdụ ndị Igbo a na-anụ aha ha maka akwụkwo ha gụtara ọnụ ha, otu ha siri mara omenaala Igbo, nakwa echichi Igbo ha chigara amaghị agụ maọbụ ede asụsụ Igbo.

N'agbanyeghị ihe ndị a niile, ọ bụ ihe aṅụrị na ọtụtụ ụmụ afọ Igbo ji asụsụ Igbo eme ọnụ, na-agụ ya, na-ede ya, ma na-akwalitekwa ya. Edemede a ga-atụle ọtụtụ ihe, gụnyere otu ọnọdụ siri gbata kwụrụ dịka o si metụta asụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ dị na Steeti Anambra, na ụzọ isite n'enyemaka ndị ntorobịa Igbo gbawanye mbọ igbochiri asụsụ Igbo ajọ ọdachi bụ nke nwere ike ibutere ya ọnwụ. Nke a bụ makana asụsụ ọbụla ndị nwe ya gbakụtara azụ ma hapụ ịsụzị ya aghaghị ịnwụ.

**Nnyocha ihe e derela n'oyiri isiokwu edemede a**

O nweela nnyocha e merela gbasara asụsụ epum, Igbo, na ihe ndị metụtara isiokwu anyị ji n'aka. Dịka UNESCO (https://www.unesco.org) kọwara n'akwụkwọ o wepụtara mgbe e mere mmemme ozuru ụwa maka ọgbụgba afọ iri abụọ na ise nke ụbọchị asụsụ epum na 2025, a hụrụ na ụmụakwụkwọ dị pasenti iri anọ bi n'ụwa enweghị ohere agụmakwụkwọ n'asụsụ epum ha. Ọ gbarụrụ ihu n'ọnọdụ a ma kpọọ oku ka ndị na-emepụta iwu maka usoro agụmakwụkwọ gbanwee ajọ ọnọdụ a site n'iwebata asụsụ epum dịka otu n'ime asụsụ atọ maọbụ karịa e ji agụ akwụkwọ. Ọ na-ekwukwa ka e mejupụta ohere iji asụsụ atọ maọbụ karịa, nke asụsụ epum ga-abụrịrị otu n'ime ha, na-akụziri ụmụntakịrị ihe ozugbo ha malitere agụmakwụkwọ.

UNESCO na-egosịkwa na iji asụsụ ụkwụ ruru nwata ala na ya wee na-akụziri ya ihe na-akwalite mmụta na nnabata. Nke bụ nsogbu dakwasara okwu a a kpụ n'ọnụ bụ na ụmụaka na ndị ntorobịa ruru nde narị abụọ na iri ise (*250 million*) anaghị aga akwụkwọ ebe ọtụtụ n'ime ndị na-aga, ruru pasenti iri itoolu, enweghị ohere iji asụsụ ha maara wee mụọ akwụkwọ. Ọ́kwà UNESCO na-ama maka nke a wee bụrụ na agụmakwụkwọ ụmụaka ji ọtụtụ asụsụ nakwa asụsụ epum ha agụ na-akwalite mwulite ọgụgụisi mmụta na echiche ha nakwa ha ime nke ọma n'agụmakwụkwọ ha (https://www.unesco.org).

Chinagorom (2023:3-6; 2025:27-28) na-akọwa ọtụtụ ihe gbasara Igbo. O kwuru na okwu a bụ 'Igbo' bụ aha agbụrụ bụrụkwa aha asụsụ. Ndị Igbo mejupụtara mpaghara Ọwụwaanyanwụ Naịjịrịa ma biri

n'obosara ala dị ihe ha ka 50,641 km (15,800 sqm). Steeti ndị Igbo bi n'uju bụ Abia, Anambra, Ebonyi, Enugu na Imo. Ebe ndị ọzọ o kwuru bụcha ala Igbo bụ obodo ndị a na-akpọ Anịọma na Steeti Delta, imeriime obodo dị na Steeti Rivers na Bayelsa, gbakwụnyere ọtụtụ ndị nọcha na Steeti Benue na ndị banyekwara na Steeti Cross River na Steeti Akwa Ibom. Site n'ịgbado ụkwụ n'ihe atọ ọ kpọrọ Asụsụ, Omenaala, na Obosaraala ebe ndị bi, ọ sịrị na e nwere, "Igbo ndị Mgbagougwu, Igbo ndị Ndịdaanyanwụ Osimiri Naịja, Igbo ndị Nnọneetiti Ọwụwaanyanwụ (maọbụ Igbo Nnọneetiti), Igbo ndị Krọs Riva, Igbo ndị Mgbago Ọwụwaanyanwụ, Igbo ndị Mgbada Ndịdaanyanwụ, na Igbo ndị Mgbada Ọwụwaanyanwụ." O mere ka o doo anya na Igbo nwere olundị dị iche iche, ma nke a abụghị ọghọm kama ọ bụ uru nyere asụsụ Igbo.

Chibụndụ (2019) na-atụ alo ka obodo anyị bụ Naịjiria nabata asụsụ Igbo dịka asụsụ ozurumba nke Naịjiria. O nyere nkọwa ihe o ji na-akpọ oku a, nke gụnyere na asụsụ Igbo nwere ọtụtụ ndị na-asụ ya ma nwezuchaa ihe niile a chọrọ n'asụsụ ma bụrụ asụsụ ka ndị ọzọ na mmepe iji nwee ike iwere ọnọdụ dịka asụsụ ozurumba Naịjiria. O kwuputara na ụfọdụ agaghị ekweta n'alo ọ na-atụ ka asụsụ Igbo were ụdị oke ọnọdụ a n'ala Naịjiria. Ndị ụfọdụ n'ime ndị agaghị ekweta n'alo a bụ ndị ọchịchị, kachasị ndị abụghị ndị Igbo; ndị si mpaghara ọzọ nke ala anyị asụsụ ha abụghị Igbo; ndị ekpukperechi dị iche iche, tụmadị ndị ekpukpere ha dị iche n'ekpukpere ọtụtụ ndị Igbo.

Na nkwenye Acholonu, Prabhakar na Olumba (2009) na Nnaji (2016), nakwa n'igosịpụta ịhụnaanya ha n'asụsụ Igbo, ha nwere ojuju afọ ikwu na asụsụ Igbo so n'asụsụ mbụ dịwara n'ụwa. Acholonu na ndị otu ya (2009) na-ekwu na ndị Igbo ebiwelarị ndụ ha tupu Adam, onye ụfọdụ na-ahụta ka nwoke mbụ biri n'ụwa. Ha jụrụ ajụjụ sị, Ebe Akwụkwọ Nsọ, na Jenesiis (4:13-15) [ebe Cain gwara Chukwu sị, Ntaramahụhụ m karịrị oke m nwere ike ibute. Lee anya, ị chụpụla m n'elu ụwa taa, agaghịkwa m ahụ ihu gị ọzọ, abụzị m onye na-awagharị awagharị na onye n'enweghị ebe obibi n'elu ụwa nke na onye ọbụla hụrụ m ga-akụgbu m], na-arụtụ aka na e nwere ndị bi tupu Adam, olee asụsụ Chukwuokike sụrụ? N'ịza ajụjụ a, ha kwenyesiri ike, ma kwuo ya na Chukwuokike, onye ọ hụrụ ya bụrụ, sụrụ Igbo (*"The God of creation, whosoever He may be, spoke Igbo"*).

Nnaji (2016) jiiri ma mkpụrụokwu ma ọtụtụ ihe ndị ọzọ wee kwenyesie ike na asụsụ Igbo bụ asụsụ ọkpụ ebe ọtụtụ asụsụ ndị ọzọ siri malite. Ọ gbara mbọ nye nkọwa maka mkpụrụokwu ndị ahụ nakwa ọtụtụ ihe ndị ọzọ mere o jiri nwe nkwenye a. Ya mere o ji kwuo, Ọmụmaatụ niile e kwurula nakwa ihe ndị niile e kwuputaghị ebe a nyere anyị obisieike ịkwụrụ chịm n'ikwu na mmalite asụsụ dị n'ụwa bụ asụsụ Igbo (*"All the instances sampled above and other related views unstated here gave us the impetus to insist that the language of the world aborigine was Igbo"* p.148).

Achụnine (2023) na-akpọ oku ka e bido kụziwe nka na ụzụ n'asụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ niile dị n'ala Igbo, dịka obodo ndị mepere emepe dịka *China*, *France*, *Russia*, *Germany*, *Japan*, *Italy*, *Britain*, *Spain* na *Norway* si eme. O mere ka o doo anya na "obodo ọbụla chọrọ ito eto, nwee mmepe maọbụ gaa n'ihu ga-ejirịrị asụsụ obodo ha kpọrọ ihe, ma jirikwa ya bụ asụsụ bụ ejirimara ha na-akụziri ndị obodo ha na-agụ akwụkwọ ọbụla ha na-agụ, site n'ụlọ akwụkwọ ọtaakara rue na mahadum, ọ kachasị n'ihe gbasara nka na ụzụ" (p.57). O kwuru na nke a agaghị adịcha mfe na mbido maka asụsụ Igbo, mana oge eteghị aka, ọ ga-agawa sịrịrị werere.

**Usoro nchọcha**

Ndị nchọcha mere nchọcha ha site n'usoro sọvee. Ha nwetara ngwa ha tụlere maka nchọcha ha site n'ihe ha hụtara ma gụtakwa nakwa ịgba mmadụ ole ma ole sitere Steeti Anambra ajụjụọnụ n'usoro nsere, ka ha nọchite anya ndị Igbo niile bụ ndị mebere ọnụọgụ maka nchọcha a. Ndị isi ụlọ akwụkwọ praịmarị iri abụọ n'otu ka a gbara ajụjụọnụ iji mata ọnọdụ asụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ niile dị na Steeti Anambra, ọ kacha mbọ gọọmenti n'iwulite asụsụ Igbo. Iri n'ime ha bụ ndị isi na Praịmarị ebe iri na otu bụ ndị isi ụlọ akwụkwọ sekọndịrị. Nke a pụtara otu maka ụlọ akwụkwọ dị n'okpuru ọchịchị gọọmenti iri abụọ na otu e nwere na Steeti Anambra. E nwetakwara ọnụ mmiri ndị ntorobịa iri na ndị ọchịchị obodo iri iji mata echiche ha maka enyemaka ha n'ịkwalite asụsụ Igbo. Site na ịgbaso usoro nkọwami, ndị nchọcha chịkọtara ma kọwaa ụsa ha nwetara.

**Ọnọdụ asụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ dị na Steeti Anambra**

Dịka o siri tụlekọrịta ọnọdụ asụsụ Igbo mgbe ụwa kpuru isi, n'oge mgbe ahụ nakwa ka ọ ga-adị n'ọdịniihu, Ohiri-Aniche (2011:2) kwuru:

> Na mgbe ochie, Reverend John Raban onye ụka ndị *Church Missionary Society (CMS)* na-achọ ịmụ asụsụ ndị Afrịka n'obodo Sierra Leone kwuru na a gwara ya na Aku (Yoruba) na Ibo (Igbo) bụ asụsụ abụọ dịkarịchara mkpa ka a mụọ (Lee Hair 1967). Na nso nso a, Ohiri-Aniche (2008) tiri mkpu na ndị Igbo anaghịzị enyefe asụsụ ha n'aka ụmụ ha, nke ga-ebute ọnwụ asụsụ Igbo, na kwa nke agbụrụ ndị Igbo. N'ihe gbasara ọdịniihu, otu onye nchọcha bụ Matthew Kuju wee na-ama ọ́kwà na site n'etu ọnụọgụ ndị na-asụ Igbo si na-epewanye mpe, oge gahụ eru mgbe a ga-ahụ ndị Igbo, ma a gaghịzị anụ asụsụ Igbo.

Ihe e kwuputara ebe a ghe anya oghe. Ọ́kwá asụsụ Igbo nọ na ya n'oge gboo dị oke elu, nke na n'ime asụsụ ndị Afrịka niile dị na Sierra Leone, Igbo bụ otu n'ime asụsụ abụọ kacha mkpa. O doro anya na n'oge ahụ, ndị Igbo niile, gụnyere ole na ole n'ime ha gụrụla akwụkwọ, ji asụsụ Igbo eme ọnụ ebe na ebe ha anọla. Ha hụtara asụsụ epum ha dịka ihe nketa ha na oke ha. N'eziokwu, ọ bụ ihe ọ bụ. Ha hụrụ ya n'anya, nwee mmasị na afọ ojuju na ya. Ya mere na ha na-echukwa ya ma hụ na ọ na-agawanye n'ihu site n'ịhafe ya n'aka ụmụ ha, bụ ndị na-ahafekwa ya n'aka ụmụ nke ha. Site otu a, ndị si n'ala Igbo, bụ ndị agbụrụ Igbo, na-asụ asụsụ Igbo. Ha bụ ndị Igbo n'ezie nakwa n'ozuzuoke, na-ebi ndụ ka ndị Igbo ma na-ahụta onwe ha ka ndị Igbo.

Mgbe agụmakwụkwọ n'ụzọ ọgbaraọhụrụ ọ dị taa weere ọnọdụ n'ala Igbo site n'ọbịbịa ndị ọcha asụsụ ha bụ Bekee si obodo Britain, asụsụ Bekee ka e hiweere ọnọdụ kacha elu n'ime asụsụ niile dị na Naịjiria. Bido na 1914 a makọtara mgbago ugwu na ndịda ugwu Naịjiria n'okpuru otu ọchịchị dịka ndị ọcha ahụ si hazie ya, wee gara ruo mgbe Naịjiria nweere onwe ya n'aka ọchịchị ndị ọcha ahụ na 1960, were ruo n'oge ugbua, ọ bụ asụsụ Bekee ka gọọmenti Naịjiria nyere ugwu na ọkwa kacha elu. E si n'ụzọ dị otu a kpazụga asụsụ Igbo n'akụkụ n'ebe dị iche iche ndị Igbo jibu asụsụ Igbo anya isi, tinyere n'agụmakwụkwọ.

Mgbe ndị nne na nna ndị Igbo hụtara asụsụ Bekee dịka ọkaibe n'ebe asụsụ nọ, ha tinyere ume ha niile n'ime ka ụmụ ha mụta ma na-asụ Bekee ka ndị ọcha ọ bụ asụsụ epum ha. Nke a mere na ha jiiri nwayọ nwayọ na-ahapụ asụsụ Igbo. Ụfọdụ hapụrụ Igbo kpam kpam ma maara ụmụ ha iwu ka ha kwụsị ịsụ ya. Ya mere na ụfọdụ ụmụaka bụ̀ ụmụaka Igbo naanị n'ihi na ha si n'agbụrụ Igbo, ma ha amaghị asụ asụsụ Igbo. Nke a jọgburu onwe ya ma na-ebi asụsụ Igbo aka ọjọọ, nwere ike ibutere ya ọnwụ. Yuka (2019:21) mere ka o doo anya na, Ozigbo a gbahapụrụ isi n'aka ndị okenye n'asụ asụsụ wee hafeere ụmụaka ya bụ asụsụ, asụsụ ahụ ejiri nwayọ malitela njem ọnwụ ya ("Once any language ceases to be passed on from adult speakers to the younger generation, the onset of the death of the language begins in slow installments"). Nsogbu dịịrị asụsụ Igbo maka ọdịniihu ma ọbụrụ na ndị Igbo agbaghị mbọ ịzọpụta asụsụ ha.

Na nchọcha o mere gbasara asụsụ Igbo, Eme (2023:13) kwuru na mwute sị,

> Ọtụtụ mmadụ bụ ndị Igbo ma birikwa n'ala Igbo anaghị asụzị Igbo kama ọ bụ Bekee ka ha na-asụ. Ajọọnọdụ a kachasị pụta ihe n'ebe ụmụ ntakịrị na ndị ntorobịa nọ. … Ihe a hụrụ n'obodo mepegara emepe ejughị afọ ma ọlị, n'ihi na ọ bụghị naanị na imilikiti n'ime ha anaghị anụ Igbo nke ha na-asụ ya, ndị nne na nna ha na-asụrụ ha naani Bekee ma na-enye ezi nkwado ka ha ghara ịmụta asụsụ epum ha, bụ asụsụ Igbo. N'ụlọụka, a na-ejisi ike gụpụta ihe si n'Akwụkwọ Nsọ n'Igbo site n'ọnụ mkpụrụ mmadụ ole na ole maara asụ ma na-agụkwa Igbo. Na nzukọ …ndị ode akwụkwọ na-eji asụsụ Bekee edekọ ihe e metara na nzukọ. Nke bụ eziokwu bụ na ọnọdụ asụsụ Igbo nọ n'oge ugbua jọrọ oke njọ, nke na ndị Igbo ga-akpọ ya mkpa ịzọpụta asụsụ Igbo n'ọnwụ na-achọ igbu ya.

Ọ bụrụ na ajọ ọnọdụ dị otu a na-agawanye n'ihu, ajọ nsogbu ọnwụ asụsụ ga-adịrị asụsụ Igbo. Ọnụọgụ ndị na-asụ ya ga-eji nwayọ nwayọ na-agbada. Ọ bụrụ na e nweghị ihe e mere maka nke a, mgbe ọtụtụ afọ ga-agacha,

asụsụ Igbo ga-abanye n'ogo ịtụ zuguzugu ọnwụ, nke Bekee kpọrọ *severely endangered* tupu ọ banye n'ọnọdụ ikwo ọnwụ bụ *critically endangered*, tupu ọ nwụzịa. Ọnọdụ a ga-abụ eziokwu ma ọ bụrụ na ndị nne na nna ugbua akpachapụghị anya n'ịhafere ụmụ ha asụsụ Igbo, maka na ndị okenye na-asụ Igbo nwụchaa n'agadi ha, asụsụ Igbo ga-esoro ha nwụọ n'otu aka ahụ.

Ọ bụ ihe ọṅụ na ndị nọ n'isi ọchịchị na Steeti ndị Igbo, bụ ndị Gọvanọ, enyela ma na-enyerịrị aka ebe ọ dị ukwu n'iwulite ọnọdụ asụsụ na omenaala Igbo n'ụlọ akwụkwọ dị na Steeti ha bido n'ogogo dịkarịchara nta bụ ntaakara, ruo n'ogogo kacha elu bụ mahadum. Ndị nchọcha gagharịrị n'ụlọ akwụkwọ ole na ole dị na Steeti Anambra ma gbaa ndị isi ụlọ akwụkwọ ajụjụ gbasara otu ihe siri gbata kwụrụ maka asụsụ na omenaala Igbo n'ụlọ akwụkwọ praịmarị na sekọndịrị. Ụsa ha nyere bụ ihe agbamume, na-egosị na mbọ ịkwalite asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ na-aga n'ihu na Steeti Anambra. Ụsa ahụ dabara n'ihe Uzochukwu (2012:7) kwuru, mgbe ọ na-akọwa nkwalite asụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ. O kwuru, "N'ụbọchị iri na otu nke ọnwa Mee n'afọ 2011, Gọvanọ [Peter Obi nke Steeti Anambra] mere ọtụtụ ihe iji gosị mmasị ya na nkwalite na ntolite asụsụ Igbo, ka ọ bụrụ asụsụ kwesịrị ịhafe n'aka ndị na-esote anyị."

Ihe ụfọdụ n'ime ihe niile Gọvanọ Peter Obi mere, bụ ndị e dere ebe a, bụkwa nke ndị Gọvanọ ndị sotere ya gbara mbọ hụ na a na-emejuputa n'ụlọ akwụkwọ niile dị na Steeti Anambra, ma tinyekwa nke ha. Gọvanọ ọbụla batara n'oche, tinyere Gọvanọ nọ ugbua bụ Prof. Chukwuma Soludo, na-eme ike ha n'iwulite asụsụ Igbo. Ka ọ dị, e mere ya ka ọ bụrụ iwu na:

- nwata akwụkwọ ọ bụla na-agụ n'ụlọ akwụkwọ dị na Steeti Anambra ga-agụ Igbo ma gafee n'ule ya n'ogogo *Junior Secondary School (JSS)* tupu o tozuo ịbanye n'ogogo *Senior Secondary School (SSS).*
- nwata akwụkwọ ọ bụla na-agụ n'ụlọ akwụkwọ dị na Steeti Anambra ga-agụ Igbo ma lelee ya n'ule maka inweta nzere *West African School Certificate (WASC)* nakwa *Senior Secondary Certificate (SSC).*
- ụlọ akwụkwọ niile dị elu ga-enwe ngalaba nọọrọ onwe ya maka amụmamụ Igbo, ma bụrụkwa ngalaba a ga-eji aha Igbo wee mara.
- ụlọ akwụkwọ niile dị elu ga-etinyerịrị Igbo n'ọmụmụ izugbe ya (bụ *General Studies*).
- ụbọchị Wenezdee ọbụla bụ ụbọchị ụmụ akwụkwọ, ndị nkụzi, na ndị ọrụ niile n'ụlọ akwụkwọ ga-eyi uwe ọdịnaala ndị Igbo, bụ ụdị uwe e jiri mara ndị Igbo, ma nwee ohere iji asụsụ Igbo ekwukọrịta okwu.
- ụlọ akwụkwọ ọ bụla riri mperi n'iwu nke ọbụla ga-akwụ ntuntu ego na nha.

Ihe niile ndị a bụ nke a gbakwụnyeere na Gọọmenti na-enye ụlọ akwụkwọ ego dị ọkpụrụkpụ ma a gụrụ oge, iji nyere ha aka na mbọ ha dị iche iche iwulite asụsụ na omenaala Igbo. E wezụga mbọ a n'ụlọ akwụkwọ, Gọọmenti mekwara ya ka ọ bụrụ iwu na ndị ọrụ oyibo na-asụ asụsụ Igbo n'ụlọ ọrụ ha dị iche iche ụbọchị Wenezdee, ma na-eyi uwe na-egosịpụta omenaala Igbo ụbọchị ahụ.

Nkwalite asụsụ na omenaala Igbo n'ụzọ abụla ụzọ mara mma. Ezi agbammbọ ndị a ga-ewulitekwa ọnụọgụ ndị na-asụ Igbo. Mbọ niile Gọọmenti na-agba, tinyere nke otu dị iche iche dịka ndị ụka, ụlọ akwụkwọ ndị nkịtị nwe na nke Gọọmenti nwe, ndị otu Igbo dịka *Igbo Women Assembly*, Otu Sụwakwa Igbo, *Council of Igbo States in America (CISA)*, na Ọhanaeze Ndị Igbo na-aba oke uru n'iwulite asụsụ na omenaala Igbo. Enyemaka niile Igbo na-enweta site n'aka ndị ntorobịa, ndị Igbo bi na mba ọzọ n'ala anyị nakwa na mba ofesi, ụlọ mgbasa ozi redio na televishọnụ, obodo Igbo dị iche iche, na mmadụ niile hụrụ Igbo n'anya sokwa akwalite ọnọdụ asụsụ na omenaala Igbo n'ebe ọ dị ukwu. Aka niile a na-enye na mbọ niile a na-agba maka ọganiihu asụsụ na omenaala Igbo kacha apụta ihe n'ụlọ akwụkwọ n'ihi na ọ bụ ebe ahụ ka ụmụaka na ndị ntorobịa Igbo juputara.

Anyị na-atụ anya na Gọọmenti ga-emekwu karịa ka ọ na-eme ugbua iji wulite asụsụ Igbo n'ezi ọnọdụ ká nke ọ nọ na ya n'ụlọ akwụkwọ anyị dị iche iche. Itinye ezi akọrọngwa ọgbaraọhụrụ n'ụlọ akwụkwọ maka nkụzi na ọmụmụ asụsụ na omenaala Igbo ga-abụ ezi ihe ga-akpalite mmụọ ndị nkụzi na ụmụ akwụkwọ. Ọ dị mkpa ka a na-akpachanye ụmụ akwụkwọ na-agụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ dị elu ego mmachi akpa iji gbaa ha ume. Ọ bụrụ na Gọọmenti enye Igbo nkwado site n'inye ndị ụbụrụ na-aghọ nkọ n'ime ụmụ akwụkwọ na-

agụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ dị elu ohere agụmakwụkwọ n'efu, ọ ga-eme ka ndị ga-enwe mmasị n'ịgụ Igbo bawanye. Inye ndị gụrụ Igbo ọrụ ozugbo ha gụchara akwụkwọ ma fechaa ala nna ha bụcha ihe Gọọmenti ga-etinyekwu aka n'ezi mbọ ya dị iche iche ịkwalite asụsụ na omenaala Igbo.

**Enyemaka ndị ntorobịa Igbo n'iwulite asụsụ na omenaala Igbo**

Ndị ntorobịa bụ ndị nwere ike nke obi nakwa ike nke ahụ imejupụta ihe ọma ọbụla ha zubere ime. Nke a bukwu eziokwu dịka o siri metụta asụsụ. Ebe ọ bụ na asụsụ bụ ihe dị ndụ, o tosịrị ezi nlekọta anya site n'aka ndị nwe ya ka ọ ghara inwe ọdachi ịda n'ọrịa ma nwụọ. Mgbe ndị nwe asụsụ hapụrụ asụsụ nke ha wee nwee mmasị n'ebe asụsụ ọzọ nọ, asụsụ nke ha na-achọ izute ọdachi ọnwụ. Iji maa atụ, ndị Igbo hapụ asụsụ Igbo sụwa naanị Bekee, "ihe niile e ji mara ndị Igbo n'ebe o metụtara mmekọrịta, ọdịnaala, omenaala, ekpemekpe, ndọrọndọrọ ọchịchị, akụnaụba, asụsụ, eziomume wdg ga-eji nwayọọ fuchasịa. Nke a mee, ị mara na ndị Igbo enweghị(zị) njirimara" (Ilechukwu na Nweya, 2015:334).

Anyị kwenyere na ụfọdụ asụsụ dị na mba dị iche iche bụ ndị na-ekwo ọnwụ. Anyị kwenyekwara na ọtụtụ asụsụ nwere nsogbu bụ ndị ga-agbake ma kwụrụkwa chịm ma ọ bụrụ na ndị nwe asụsụ ndị ahụ tinye uchu ịdọlite na ịkwalite ha. Mbọ dị otu a gbasara onye ọbụla, maka na onye na onye ọbụla nwere oke na ọrụ dịịrị ya n'ebe asụsụ bụ ihe nketa na oke ya nọ, bido na ndị isi ọchịchị n'ogogo dị iche iche n'obodo wee ruo n'ụmụaka. Oku ịgba mbọ dị otu a ka a na-akpọ n'isi asụsụ Igbo.

Ndị ntorobịa Igbo nwere ọrụ pụrụ iche dịka o siri metụta ịkwalite asụsụ Igbo, maka na ọ bụ ha bụzị ndị agba ọhụrụ bịara ụwa n'oge a kọmputa, ịntaneetị, soshal midia, na atịfịshaal ịntelịgensị bụ ngwa na ụzọ iwulite asụsụ. Ọ bụ ezie na ọnọdụ asụsụ Igbo n'oge ugbua abụbeghị nke na ọ na-ekwozi ọnwụ, mana ihe ụfọdụ gbasara asụsụ Igbo na-emetụ aka na ya bụ asụsụ nọ na nnukwu ajọ ọnọdụ, ọ kacha dịka o si metụta ụmụaka Igbo amazịghị asụ Igbo. Nke ọzọ bụrụ nsogbu dịịrị akụkụ asụsụ Igbo ụfọdụ, tinyere egwu ọdịnaala, egwuregwu ụmụaka, egwu so mmemme dị iche iche, akụkọ ala, nakwa akụkọ ifo (Eme, Mbagwu, Asadu na Nkamigbo, 2022).

Ohiri-Aniche (2011), Nsolibe (2012) na ụfọdụ ndị nchọcha ndị ọzọ kọwapụtara nsogbu olenaole chere asụsụ Igbo aka mgba. Ha gụnyere otu ndị Igbo, ọ kacha ndị ntorobịa, si ahapụ ala Igbo gaa mba ọzọ, mere na ha anaghị asụwagazị Igbo; mkpagbu asụsụ ndị mba ọzọ dịka asụsụ Bekee na-akpagbu asụsụ ndị obodo Naịjiria, tinyere asụsụ Igbo, makana ọ bụ asụsụ Bekee pụtara ihe n'agụmakwụkwọ, azụmahịa, na mgbasa ozi; ndị Igbo ụfọdụ enweghị mmasị n'asụsụ Igbo, nke na ndị bụ nne na nna anaghị ahafezi asụsụ Igbo n'aka ụmụ ha; nakwa ụkọ ezigbo ngwa tekụnụzụ ọgbaraọhụrụ n'ụlọ akwụkwọ anyị dị iche iche maka nkụzi na ọmụmụ asụsụ Igbo.

Mgbe anyị lebara anya na nsogbu ndị a na ndị ọzọ na-ezute asụsụ Igbo, anyị ahụ na ndị ntorobịa Igbo nwere ezigbo ọrụ ha ga-arụrụ asụsụ Igbo. Ebe na ebe ha anọna, ha gbalịa na-asụ Igbo. Ọ bụ eziokwu na ịsụ Igbo na-esiri ụfọdụ ndị ntorobịa ike n'ihi enweghị ezi ohere maka ịmụta asụsụ Igbo na nwata site n'aka nne na nna ha, ha gósị ezi mmasị ma tinye uchu, ha ga-asụwa Igbo nke ọma. Anyị kwuru nke a makana ọ bụ ọgbọ a nwere ezi ohere dị iche iche ịmụta asụsụ ọsọ ọsọ site na ngwa tekụnụzụ dị iche iche. Ndị mgbe gboo tupu kọmputa na akọrọngwa ọgbaraọhụrụ ndị ọzọ enweghị ụdị ohere ndị ọgbọ a nwere.

Ọ bụrụ na ndị ntorobịa Igbo ụbụrụ na-aghọ nkọ na tekụnụzụ mepụta ezigbo ngwa tekụnụzụ ọgbaraọhụrụ maka nkụzi na ọmụmụ asụsụ Igbo, tinye ha n'ọrụ n'ụlọ akwụkwọ anyị ebe ọtụtụ asụsụ ndị ọzọ dịka Bekee, French, na Chinese nọkwu n'ọrụ, mkpagbu asụsụ Bekee na-akpagbu asụsụ Igbo ga-ebelata. Nke a bụ n'ihi na ọtụtụ ndị Igbo na ndị abụghị ndị Igbo ga-ebido nwewe ezi mmasị n'ọmụmụ asụsụ Igbo. Ije n'ụlọ akwụkwọ enye nkụzi a nwere ike bụrụ ihe agaghị ekwe omume n'ihi na ndị ntorobịa ndị a abụghị ndị e were n'ọrụ nkụzi. Ha nwekwara nnukwu ọrụ na-anara ha oge ha. N'ihi nke a, ha jiri usoro nka na ụzụ wee hibe usoro nkụzi asụsụ na omenaala Igbo, site na nkwado Gọọmenti, nne na nna, nakwa ndi ọchịchị n'obodo Igbo dị iche iche.

Tinyere nke a, ha wube webụsaịtị, ọnlaịn kọmuniti na mwube ndị ọzọ na soshal midia na ịntaneetị, ma mepụta aapụ ndị a chọrọ iji mee ka nkụzi na ọmụmụ asụsụ na omenaala Igbo bịa n'ụdị ọgbaraọhụrụ. Ha tinyekwuo amamihe ha nwere n'atịfịshaal ịntelịgensị were wulite Igbo. Ihe ndị a na-eme ka nkụzi na ọmụmụ

asụsụ na omenaala dị mfe ma dịkwa ụtọ, ka ndị Igbo ma ndị abụghị ndị Igbo nwee mmasị ịmụ asụsụ na omenaala Igbo.

Ndị na-emepụta ngwa ahịa dịka ude, ngwa ụmụaka ji egwu egwu, akpụkpọ ụkwụ, akwa, akọrọngwa, na ihe oriri na ọṅụṅụ dị iche iche were aha Igbo bawa ngwa ahịa ha aha. Ọ bụghị naanị inye ngwa ahịa ha aha Igbo, ha nye aha ụlọ ọrụ ha aha Igbo. Ndị niile nwere ọdụ ahịa nyechaa ọdụ ndị a aha Igbo. Ebe ọ bụ na ndị Igbo gbasara ruo mba niile dị n'ụwa, asụsụ Igbo ga-esi otu a gbasaa. Yuka (2019) jiri ncha *Dudu-Osun* na ude *Dudu-Shea* ndị Yoruba mepụtara ma nye aha n'asụsụ Yoruba, nakwa ndị *China* na-eji asụsụ ha aba ihe na akọrọngwa ha mepụtara aha wee gosị mkpa nke a dị. O toro ụdị omume a dị ka nke na-ewulite ma na-akwalite ọnọdụ asụsụ. Ụdị mgbasapụ aka a ga-enyere asụsụ Igbo aka n'ebe ọ dị ukwuu.

**Nchịkọta na mmechi**

Anyị elebaala anya n'asụsụ Igbo dịka asụsụ epum ndị Igbo, nke bụ ihe nketa ha na oke ha. Anyị hụrụ na ọnọdụ asụsụ Igbo nọ dị oke njọ. Ụfọdụ ụmụaka nne na nna ha bụ ndị Igbo ma na-asụ Igbo nke ọma amaghị asụ Igbo n'ihi na nne na nna ha ahafeghịrị ha asụsụ Igbo. Nke a bụ ajọ ọnọdụ nyere asụsụ Igbo, makana ọ ga-ebute ọnwụ asụsụ Igbo ma ọ bụrụ na ndị Igbo egbochighị ajọ ọnọdụ a. Ọnụọgụ ndị Igbo na-asụ Igbo na-ebelata ebelata, n'agbanyeghị na Chukwu jiri ọmụmụ gọzie ndị agbụrụ Igbo. Biko nu, ka ndị Igbo mekwaa ngwa ngwa meghara ọdachi; ka anyị kwọọ ya bụ mmiri ka ọ dị n'ọgbụgba ọla.

Anyị hụtakwara na ọtụtụ ndị Igbo n'ogogo dị iche iche kwenyere sie ike na asụsụ Igbo bụ ihe nketa na oke ha, mere ha jiri tinye ike ha n'ọrụ iwulite asụsụ Igbo. Anyị wee na-akpọ oku ka ndị Igbo gbawanyekwuo mbọ ime ka asụsụ Igbo guzosie ike karị ka ọ dị ugbua. Anyị ekwuola ihe ụfọdụ Gọọmenti nwere ike ime iji gbakwunyere nke ọ na-eme ugbua. Ndị ntorobịa ihe kọmputa, ịntaneetị, soshal midia na atịfishal ịntelịgensị doro anya ga-etinyekwu mmụta ha n'ọrụ ịkwalite Igbo. Ndị ụlọ mgbasa ozi redio na televishọnụ dịga n'ala Igbo ga-agba mbọ tinyewanye usoro iji Igbo eme mgbasa ozi ha, ma na-akọwakwa ihe gbasara asụsụ na omenaala Igbo. Ndị ụka dị iche iche na-agba ezi mbọ n'iwulite asụsụ na omenaala Igbo; ha adakwala mba.

Ndị na-achị n'ogogo dị iche iche n'obodo jisie ike tụnye ụtụ nke ha na mwulite asụsụ na omenaala Igbo karịa ka ha na-eme ugbua. Ha jiri ije ọkpa ha, okwu ọnụ, amamiihe, na ego nke onwe ha na nke obodo kwado emereme gbasara Igbo ma n'obodo ha ma n'ụlọ akwụkwọ dịcha na be ha. Ha kpalite mmụọ ndị ha na-achị ka ha dọnyere ha ukwu na mwulite asụsụ Igbo. Obodo Igbo dị iche iche hiwechaa ụzọ iji gbaa ndị ntorobịa ume n'iji asụsụ Igbo kpọrọ ihe. Ụlọ akwụkwọ ndị nkịtị nwe na nke Gọọmenti nwe kpọọ mwulite asụsụ Igbo mkpa n'abụghị na mmanye. Ha nye ụbara ohere maka ụmụ akwụkwọ ịdị na-asụrịta Igbo. Ndị mmepụta ngwa ahịa dị iche kwalite Igbo site n'inye ngwa ahịa ha nakwa ụlọ ọrụ ha aha Igbo. Mmadụ niile hụrụ Igbo n'anya, ma n'ụlọ ma na mba ofesi mee ihe ọbụla ha nwere ike iji gbanyere Igbo aja n'ukwu ma kwalite ọnọdụ ya. Ndị nne na nna gbado anya na-ahafere ụmụ ha asụsụ na omenaala Igbo. N'ezie, ihe dị mkpa ugbua bụ ka aka niile banye n'ọrụ. Nnukwu azụ kpata nnukwu nkụ, obere azụ kpata obere nkụ. Bunu bunu, ibu anyị danda.

## Edensibịa


Acholonu, C. , A. Prabhakar na E. Olumba. 2009. *They lived before Adam: The pre-historic origins of the Igbo, the never-been-ruled.* Abuja: CARC Publications.

Achụnine, E. 2023. E nwere ike iji Igbo na-akụzi nka na ụzụ? *Ọganiihu: An Igbo Language Journal of Chimefula Research Centre.* (Anniversary Edition to mark the introduction of the 1961 Ọnwụ Orthography in schools in June, 1962), 57-73.

Adiele, N. 2018. Parents' and teachers' perceptions on the use of mother tongue in early childhood and pre-primary education in Nigeria. In H. Adeniyi, I. Maduako and P. I. Amadi (eds.). *Trends in African Linguistics and Language Development: Festschrift for Ismail Junaidu*. Lagos: Free Enterprise Publishers. 375-382.

Bamgbose, G. 2022. Beyond interference: The relevance of mother tongues to the teaching and learning of English. http://www.businessday.ng/uncategorized/article/beyond-interference-the-relevance-of-mother-tongues-to-the-teaching-and-learning-of-English

Chibụndụ, V.C. 2019. Asụsụ Igbo dịka asụsụ ozurumba ọnụ n'obodo Naịjiria. N'ime D.O. Abonyi na J.C. Asuoha (ed.). *Igbo Ehirila: A festschrift in honour of His Grace, Most Rev. Anthony J.V. Obinna and Rev. Fr. Longinus Chukwemeka Chinagorom.* Owerri: I-O Publishers. 61-80.

Chinagọrọm, L.C. 2023. *Uru ezi akanka n'agụmagụ Igbo ugbua* (*Contemporary Igbo studies revised*). Owerri: I-O Publishers.

Chinagọrọm, L.C. 2025. *Wisdom has built herself a home (she has erected her seven pillars): A magnificent merit of GST 119 Asụsụ Igbo maka ujundụ*. 20th Inaugural Lecture of the Seat of Wisdom Seminary, Owerri (delivered on 15th November). Owerri: Ihemedu Graphic Synergy.

Eme, C.A. 2023. Asụsụ Igbo dịka asụsụ epum: Otu ọnọdụ dị, ihe ịmaaka na olileanya iji ngwa nka na ụzụ kwalite ya. *Ugo: Jọnalụ Amụmamụ Igbo (UJAI) (Journal of Centre for Igbo Studies, University of Nigeria, Nsukka).* Vol. 1, 1-13. https://www.unn.edu.ng/centre.igbostudies.

Eme, C.A., D.U. Mbagwu, F.O. Asadu na L.C. Nkamigbo. 2022. Documentation of traditional Igbo children games: Towards a revitalization of Igbo oral genres. *Professor Ezenwa Ohaeto Resource Centre Journal of Arts and Humanities (Preorcjah)*. Vol. 7, 1-25.

Ezeani, E.O. 2015. Language and culture: Pragmatic instruments for national cohesion. N'ime L.C. Nkamigbo na F.O. Asadu (ed.). *Current issues in linguistics, language and gender studies: A festschrift in honour of Professor Cecilia Amaoge Eme at 50.* Nkpor: Brystevand Publishers. 178-187.

https//:www.nairaland.com Worldwide Igbo population Retrieved 2/2/2026.

Ilechukwu, D.I. na G.O. Nweya. 2015. Mmasị ndị Igbo nwere n'ebe asụsụ Bekee dị karịa asụsụ Igbo: Mkpatara, ọghọm an aro. N'ime R.I. Okorji, C.A. Eme na G.S. Omachonu (ed.). *Contemporary issues in linguistics and language studies: A festschrift for Prof. Clara Ikekeonwu at 65.* Enugu: Rossen Publications Ltd. 329-336.

Nnaji, O. 2016. Evolution of human tongues: Mother tongue as route to the trace of human historical genesis. *Journal of Linguistics, Language and Igbo Studies*, Vol. 1, No. 1, 113-149.

Nsolibe, O. T. 2012. Ụzọ a ga-esi wulite asụsụ Igbo na uru dị n'ịkwalite asụsụ Igbo. N'ime A. A. Anedo na T. N. Udemmadu (eds.). *The ideal man: A festschrift in honour of Professor Obed Muojekwu Anizoba*. 312-318.

Ohiri-Aniche, C. 2011. *Ọnọdụ asụsụ Igbo n'oge ugbua na ọdịniihu.* 6th Dr. F.C. Ogbalu Memorial Lecture. Onitsha: Varsity Publishing Company Ltd.

UNESCO Report. 2025. *Languages matter: Global guidance on multilingual education.* https://www.unesco.org

Yuka, L.C. 2019. *On mentalism and the value of the mother tongue.* 228th Inaugural Lecture, University of Benin, 31st October. Benin City: University of Benin Press.